**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0109**

*Isrel n'Ijipt, Agwa pụrị iche nke ndi-inyom abụa*

Ama-okwu ole na ole nke mbido Ọpụpụ jikọrọ ya na Jenesis. Ebu ụzọ depụtasịa aha ndi ahụ so bịa ma emere ngwa ngwa gụfere arọ ole anọworo. Ọpụpụ 1:7 garারị n'iru ịkọ akụkọ dị na Jenesis. Ahịrị echiche kasị mkpa n'Akwụkwọ a dị n'Ọpụpụ 20:2, bụ nke na-asị, ***"Mu onwem bu Jehova Chineke-gi, Onye mere ka i si n'ala Ijipt, n'ulo ndi-orù, puta"***

## *IZRAEL N'ALA IJIPT*

***"Ma ndia bu aha umu-ndikom Israel, ndi batara n'Ijipt; ha soro Jekob bata, nwoke ọ bula na ulo-ya. 2 Reuben, na Simeon, na Livai, na Juda; 3 Isaka, na Zebulun, na Benjamin; 4 Dan, na Naftali, na Gad, na Asha. 5 Madu nile ndi si n'úkwù Jekob puta di kwa ọgu madu atọ na iri: ma Josef, ọ nọri n'Ijipt. 6 Josef we nwua, ya na umu-nne-ya nile, na ọb̧ọ ahu nile"[Ọpụpụ 1:1-6].***

Akụkọ dị n'Ọpụpụ na-esote nke akọrọ na Jenesis. Ọnwụ nke Josef mechiri Jenesis. Ọpụpụ 1:6 gwara anyị na Josef, ụmụ nne na nna ya ndi-ikom nile , na ọgbọ ahụ nile nwụsịworo. Nnarị arọ atọ na mkpirisi agabigawokwarị. Na Jenesis 46: Chineke kwururị na Izrael ga-amụba wee ghọọ oke Mba n'ala Ijipt. Mgbe anyị na-abịarụ na ahịrị okwu nke asaa, anyị na-ahụ mmezu nke okwu-amụma a.

***Ma umu Israel muru ọmùmù, ri nne, ba uba, we nwe ume nke uku; ala ahu we juputa na ha[Ọpụpụ 1:7].***

Ahịrị okwu nke asatọ na-egosi na mgbanye pụrụ iche adịworị.

***Ma eze ọhuu biliri ichi Ijipt, onye nāmaghi Josef[Ọpụpụ 1:8].***

Fero ọhụụ anọkwasịwo n'oche ọchịchị nke Ijipt bụ onye na-aka-anụghị ihe ọbụla banyeere Josef. Ọpụrụ ịbụ na-akwatuworị ndi Hyksos, ma ọ bụ ndi-ọchị-anụ-ulo ahụ na-achị eze, ahụ sitere n'agbụrụ ụmụ Shem site n'ọchịchị Ijipt, wee mee ka

ndi eze Ijipt mbụ bụ ndi Ijipt wekwara ọchịchị obodo ahụ ọzọ. Onye-eze ọhụụ ahụ bụ amaghị Josef mere oji hụghị ihe mere o ji kwesi ilekwasị agbụrụ ya anya ọma.

Ọ dị ihe mmụta dị ukuu site n'ahịrị okwu nke asatọ. Ọ narị eju M anya bụ ihe mere na ndi otu dị iche iche taa gbara mgbọrọgwụ n'ịkụziri ụmụntakịrị iji rite ha n'uru nye Onye-nwe-anyị ji naghị ewere nkụzi ha site n'ama-okwu a. Ekwesiri iji ya akụzi ihe nye ọgbọ nile. Mkpa dị ka akụziere ọgbọ nile Okwu nke Chineke. Ọ bụrụ na anyị jụ ịkụzi ya, oge gaje ịbịa mgbe aga-echefụ ihe gbasaara Okwu nke Chineke.

Otu dị iche iche na-emefu ukwu ego dị ukuu n'ịgbasa ozi banyeere onwe ha. Ngwa-ahịa dịka Coca-Cola bụ nke amaara aha ya n'ebe nile ka na-aga n'iru n'ịgbasa ozi ha na mba nile nke ala anyị ha. Anyị maara ọtụtụ ụdị ngwa-ahịa dị otu a: ncha dị iche iche, ude na achịcha, kemgbe amụrụ anyị, ma ọtụtụ ndi na-azụ Coca-Cola nihi mgbasa-ozi ya ana-agbasa mgbe nile.

N'otu aka ahụ, ụmụ anyị ha kwesiri ịna-anụ Okwu Chineke mgbe nile na-esepụghị aka ka ha wee nwee ike jiri ya na-ebi ndụ ha. Ị hụwo na nihi na onweghị onye kọọrọ ndi eze Fero ihe banyeere otu Josef ji zọpụta mba Ijipt nile—ihe ndi na-ekwesighị ekwesi malitere ime—Emesia Fero na-amaghị Josef biliri ịchị Ijipt. Ana-enwerịrị ọgbọ ọhụụ na-anụbeghị ihe banyeere Jizọs Kraịst.

Ọ na-eju anya na ụmụntakịrị anyị ha amaghị akụkọ mgbe ochie banyeere obodo anyị taa. Ọ na –agbagwojukwwa ọtụtụ ha anya ịnụ ihe banyeere mgbe atụrụ mgbere n'oru na mgbe mba ọzọ dị iche iche kpakọọrọ mba ndi ọzọ jiri mere ihe na-atọ nanị onwe ha. Ọ dị nma bụ anyị ịmata ebe anyị nọrị na mbụ bụkwa otu anyị ga-esi nwee ike ịmata ogo anyị rutere ugbu a. Anyị nwere ọgbọ ọhụrụ na-amaghị ụnyaahụ nke obodo anyị ha. Ha anaghị aghọta ihe anyị bụ ndi ichie gabigara n'ihe isi-ike na n'ahụhụ. Ya mere, ọ dị mkpa bụ ịkụzirị ọgbọ na-abịa abịa ihe ndi bu ha ụzọ gabigaworo wee rute ebe ha zutere ha. Ma ọgbọ ọhụrụ biliri bụ ndi na-amaghị Josef. N'otu mgbe Josef bụrị onye dị ukuu ana-eme nkiri ruerị na apụghị ibunapụ mba ahụ ozu ya mgbe ọ nwụrụ iji ga lie ya n'ebe ọzọ.

Fero ọhụụ ahụ batara enweghị obi ụtọ n'ebe Izrael nọ dịka nke bu ya ụzọ chịa.

***9 Ọ we si ndi-ya, Le, ndi umu Israel di ọtutu nwe kwa ume kari ayi: 10 ngwa, ka ayi gosi onwe-ayi na ndi mara ihe n'ebe ha nọ; ka ha we ghara iba uba, o we rue, mḅe agha gāda n'ala-ayi, na ha gētiyekọta onwe-ha n'aru ndi nākpọ ayi asì, ha we buo agha megide ayi, si n'ala nka rigopua[ Ọpụpụ 1:9-10].***

O nwerị ike ịbu na Izrael jikọrọ aka ha na ndi iri Ijipt we lụso ha agha.

N'agụghị na ndi oru dị Ijipt mkpa, ọ gaara abụ ụzọ kasị mfe iji gbooro onwe ha mkpa ndi-ndọnyere-ukwu megide Ijipt ma agha su ma asị na ha rapụru Izrael kwe ka ha laa na-enweghị nsogbu. Ma Fero a kpebiri iji amamihe nke ụwa gboo mkpa dị otu a.

***Ha we do ndi-isi nke ndi nēfè òfùfè n'isi ha iwere ibu-ha weda ha ala. Ha we wuere Fero obodo abua ichikobata ihe, bú Paitom na Raamses[ Ọpụpụ 1: 11].***

Amanyere ụmụ Izrael ka ha bido ịdọgbu onwe ha n'oke ọlụ. Ọ bụghị ha wuru ***'otumotu'*** Pyramid ndi ahụ bụrị ili ndi eze Ijipt, bụkwa ndi ewuworo ọtụtụ arọ tutu ụmụ Izrael rute n'Ijipt. Ihe ndi amanyere ha iwu bụ obodo nchekwa akụ na ụba ndi Ijipt. Ha wuru obodo Pitọm na Reamses. Ha ji nkume eji ụrọ kpụa (bukwa nke amanyere ha dịka ndi-oru emere ka ha ghọọ jiri aka ha kpụa) wue ha. Mgbe amalitere ịgba ha oru anarị enye ha ahịhịa ha na-eji agwakọta ụrọ jiri kpụa nkume ndi ahụ, ma mgbe mmegbu nke Fero siwanyere ike n'ebe ha nọ emere ka ha jiri aka ha jee chọrọ ahịhịa ndi ahụ ka nweekwaarị atụm-anya na ha ka ga-akpụta nkume ole ahụ ha narị akpụpụta kwa ụbọchị. Ihe edere n'Akwụkwọ Nsọ banyeere ịgba oru nke ndi Izrael abụghị ihe aga-agọrọ agụgọ nihi na nkume akpụrụ akpụ nke Ijipt di ugbu a na-agba aka-ebe na nke ahụ mere eme n'ezie.

Agaghị arụ ya ụka na ndi Izrael gabigara oke nkpagbụ n'aka ndi Ijipt. Ha mere ka ndụ siere Izrael ike n'ezie.

***Ma dika ha nēweda ha ala, otú a ka ha nāba uba, otú a ka ha nāḅasa kwa. Ike we gwusia ha n'ihi umu Israel[ ọpụpụ 1:12].***

Chineke gwara Abraham na ụmụ-ụmụ ya gaje ịhụ ahụhụ na mba ọzọ. Jenesis 15:13 sị, "*Ọ si Abram, Mara nke-ọma na nkpuru-gi gābu ọbìa n'ala nābughi nke ha, ha gēfè kwa ha; ha gēweda ha ala nnù arọ".* Ọ dị ụzọ ihe atọ eburu amụma ya n'Ama-okwu a. Ụmụ Izrael ga-aghọ ọbịa na mba ọzọ, ha ga-aghọ ndi oru, agaje ịta ha ahụhụ. Okwu amụma nile ndi a mezuru dịka anyị na-ahụ na ahịrị okwu ole na ole nke mbido Akwụkwọ Ọpụpụ Isi mbu.

Izrael gara n'iru na-eto na-amụbakwa na-agbanyeghị na ndi Ijipt nọ n'etikwasịrị ha ahụhụ n'elu ahụhụ kwa mgbe.

***13 Ndi Ijipt we were nkpaḅu me umu Israel ka ha fè òfùfè: 14 ha we were òfùfè siri ike me ka ndu-ha di ilu, n'urọ, na nime brick, na n'òfùfè nile ọ bula n'ọhia,***

***òfùfè-ha nile nke ha mere ka ha fè nime ha di na nkpab̩u. 15 Eze Ijipt we si ndinyom Hibru ndi nēle ime, ndi aha otù onye nime ha bu Shifra, aha nke onye nke-abua bu kwa Pua [ Ọpụpụ 1:13-15].***

Ọ bụghị nanị na nd Ijipt ji ha mere oru, ha kpasokwara ha agwa n'ụzọ na-ezighị ezi. Ma na-agbanyeghị mkpagbụ , Chineke goziri ha mee ka ha mụbaa nke uku n'ọnụ-ọgụgụ. Mgbe eze hụrụ mmụba nke ndi mba-oru ya bụ Izrael, ọ gwara ndi-inyom na-ana ndi-inyom ndi Hibru nwa okwu na mgbalị ya ịkwụsị uto nke ọnọ-ọgụgụ ha ahụ. Ihe aha ndi-inyom abụa ndi ahụ pụtara dị mkpa ntụle. 'Shifra' pụtara "ọma-nma" ebe 'Pua'pụtara "Nma pụrụ-iche." Ị hụtụwo ihe osise nke na-egosi ndi-inyom Ijipt? Nma –arụ bụ ihe nketa nke ndi-inyom nke Ijipt. Ndi-inyom abụa ndi a dị ka ha nọrị n'ọkwa dị elu n'ọchịchị mba Ijipt bụrụkwa ndi na-achịkọta ndi na-elekọta ndi-inyom ọghọ nwa nke Ijipt.

***Ọ si, Mb̩e unu nēle ime ndinyom Hibru, we hu ha n'elu oche ọmumu-nwa; ọ buru na nwa-nwoke ka ọ bu, unu gēme kwa ka ọ nwua; ma ọ buru na nwa-nwayi ka ọ bu, ọ gādi kwa nd*u *[ Ọpụpụ 1:16].***

Nke ahụ bụ mgbalị nke Satan iji chọọ ịdọbi eriri jikọtara rue n'Onye-nwe-anyị Jizọs Kraịst. Mgbalị nke Satan a iji dobie eriri ahụ jikọtara rue na Kraịst juru ebe nile n'Akwụkwọ Nsọ maa n'Agba-Ochie na Agba-Ọhụụ. Enwewo ọtụtụ mgbalị iji kpochapụ ndi mba Izrael site n'ụwa, ọ dịkwa mkpa iriba ama otu iro megide ndi sitere n'Agbụrụ ezinulo Shem akpọrọ '***anti-Semitism'*** ji gbasaa n'ụwa nile . Ọ bụ Satan na-akpali ihe dị otu a, mere na nwa nke Chineke ọbụla ekwesighị itinye aka na ya. Ndi na-akpagbu ndi Juu ka n'ọnụ-ọgụgụ na ndi na-amaghị ihe okwu Chineke kwuru.

Madụ pụrụ ịsị, "Ehenụ! N'oge ọgbọ nke itili ahụ , ọ bụ na ndi nke Kraịst etinyeghị aka n'anti-Semitism?" Ha tinyere. Ma nke ahụ bụ ọgbọ nke ọchịchịrị bụ mgbe ha ka nọ n'ebe dị anya site n'ọmụma nke Okwu nke Chineke, nihi na ha lekwasiri anya nanị n'okpukpere efu dabeere n'elu arụ. N'echiche nke M, ọ dịghị onye ga-emikpu onwe ya n'ịmụ Okwu nke Chineke ka gaa n'iru n'anti-Semitism.

## *IHE ỊTỤNANYA NKE NDI INYOM ABỤA MERE*

Dịka Satan narị agbalị ikpochapụ ụmụ-Izrael, Chineke biliri ịnapụta ha.

***17 Ma ndinyom nke nēle ime nātu egwu Chineke, ha emeghi kwa dika eze Ijipt gwara ha, ma ha debere umu-ndikom ndu. 18 Eze Ijipt we kpọ ndinyom ahu nēle ime, ọ si ha, Gini mere unu ji me ihe a, we debe umu-ndikom ndu? 19 Ndinyom nēle ime we si Fero, N'ihi na ndinyom Hibru adighi ka ndinyom Ijipt; n'ihi na ndi nwere ndu ka ha bu, ha nāmu kwa nwa tutu ndinyom nke nēle ime abiakute ha. 20 Chineke we me ndinyom nēle ime nma: ndi Israel we ba uba, nwe kwa ume nke-uku [ ọpụpụ 1:17-20].***

Mgbalị iji kpochapụ ụmụntakịrị ndi-ikom nile nke ndi Izrael bụrị ntụpụta nke ndi-ọchịchị na-emechaghị mịta mkpụrụ.

***O rue, n'ihi na ndinyom nke nēle ime nātu egwu Chineke, na O mere èzí-na-ulo nye ha [ Ọpụpụ 1:21].***

Ndi-inyom ndi ahụ ka ọ dịrị ịhọrọ ịṅa Fero ma ọ bụ Chineke ntị. Ha amụtaworị ịsọpụrụ Chineke nke mere ka nrube-isi ha nye Ya pụta ihe. Chineke wee gozie ha. O nyere Shịfra na Pua aha pụrụ iche nakwa ọnọdụ dị nma n'ala Izrael. Ha bụkwarị ndi ana-asọpụrụ n'obodo.

***Fero we nye ndi-ya nile iwu, si, Nwa-nwoke ọ bula amuru, n'osimiri Nail ka unu gētufu ya, ma unu gēdebe nwa-nwayi ọ bula ndu[ Ọpụpụ 1:22].***

Asịrị na emesịrị mee ka iwu a dị ire, Izrael gaara abụ ihe ekpochapụwororị . Emeghị ihe ahụ Fero nyere iwu ka emee, bụkwa nke isi-okwu nke Akwụkwọ Ọpụpụ ndi na-esoje gosirị. Chineke weliri Mosis iji napụta ụmụ Izrael si n'agbụ nke ndi Ijipt pụta.

## OKWU NCHỊKỌTA

Ọpụpụ bụ Akwụkwọ edemede uku nke mgbapụta. Ọ na-ekpuhe, dịka ihe esere ese, otu Chineke si na-anapụta anyị taa—site na nmehie, ụwa, na site n'aka nke ekwensu—Ọ na-azọpụta anyị wee nye Eligwe!